# SITE N'ỌNWỤ BAA NÁ NDỤ

**Ndi Efesọs 2:1-22**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 401**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke" (Ndi Efesọs 2:8).**

**I Iji Mmadụ nke bụ Anụarụ Tụnyere Mmadụ nke Imemmụọ**

1 Pọl naarụtụ ihe banyere ọnọdụ ha nọ ugbu a aka n'iji ya tụnyere ọnọdụ ha nọ na mbụ, Ndi Efesọs 2:1-3; 4:18; Ndi Kọlọsi 2:13; I Jọn 5:12; Ndi Rom 8:2-6

2 Ọ naegosi ihe sitere na ya zọpụta na ya zọpụta ha na ihe ebu n'obi wee zọpụta ha, ndi Efesọs 2:4-7; Ndi Rom 5:6, 8; 6:4, 5;

3 Ọ bụ amara ka ejiri zọpụta ha ma kee kwa ha maka ịlụ ezi ọlụ niile, Ndi Efesọs 2:8-10; I Ndi Kọrint 3:9; 2 Ndi Kọrint 5:17; 2 Timọti 1:9

4 Esitere n'Ọbara nke Kraist kwada mgbidi ahụ nke kpara ókè n'etiti, Ndi Efesọs 2:11-14; Ndi Galetia 3:20; Ndi Kọlọsi 1:20

5 Ma Ndị Juu ma Ndị Mbaọzọ nwere ohere ịbịakwute Nna ahụ site na Kraist, Ndi Efesọs 2:15-19; 2 Ndi Kọrint 5:18; Ndi Galetia 6:15; Ndi Efesọs 1:20-23; 2:14

6 Ewukwara mmadụ niile dịka ụlọ n'elu otù ntọala ahụ ma ha naetokọta kwa n'otù wee bụrụ ụlọnsọ, Ndi Efesọs 2:20-22; 2 Ndi Kọrint 6:16; Ndi Hibru 12:22, 23; I Pita 2:5; Nkpughe 21:14

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ụzọ Ọnwụ Abụọ Ahụ

Pọl jiri mmadụ nke bụ anụarụ tụnyere mmadụ nke imemmụọ. Ọ naegosi kwa ihe anyị bụ site n'òkikè na ihe anyị bụ site n'amara. Mmadụ bụ atọnimeotù, nke ihe mejupụtara ya bụ arụ, mkpụrụobi, na mmụọ. Enwere ọnwụ nke anaahụ́ anya nye arụ, enwekwara ọnwụ nke imemmụọ nye mkpụrụobi. Ọnwụ nke náadị nwamgbe ntà bụ nkewapụ nke mkpụrụobi na mmụọ site n'arụ. Ọnwụ nke imemmụọ naekewapụ mmadụ n'ebe Chineke nọ mgbe mmadụ ahụ ka dị ndụ n'ụwa; ọ bụrụ kwa na ọ nọgide n'ọnọdụ ahụ, agaama ya ikpé nke gaetinye ya na ntaramaahụhụ ebighịebi, nke bụ́ ọnwụ nke ugbò abụọ ahụ. Ọnwụ nke imemmụọ bụ ihe mmehie lụpụtara. Nnupụisi nke Adam wetara ọnwụ nke anaahụ́anya na nke imemmụọ nye ụmụmmadụ. Tupu Adam emehie ọnwụ adịghị. Kraist nwere ike n'ebe ọnwụ nke arụ na n'ebe ọnwụ nke imemmụọ dị.

Mgbe anyị naechè échìchè banyere ọnwụ nke arụ anyị naechè échìchè banyere otù onyeiro ahụ nke náabata n'ụlọ anyị ma were onye anyị hụrụ n'anya. (Gụọ I Ndi Kọrint 15:26.) Anyị náeji anya nke anụarụ náahụ́ ọnwụ ahụ. Ma otú ọ dị, ọnwụ ebighịebi, maọbụ amamikpé nye mkpụrụobi, anyị apụghị iji anya anyị hụ́ ya, ma Onyenweanyị naahụ́zu ya ma náamata kwa ịdị egwù ya. O zitere Ọkpara Ya ka O meghee ụzọ agaesi gbanarị ya. "N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na O nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'íyì kama ka o nwe ndu ebigh-ebi " (Jọn 3:16).

Jisọs sịrị: "Unu atu kwa-la egwù ndi nēgbu-aru, ma ha apugh igbu nkpuru-obi: kama nātunu egwù Onye ahu Nke puru ila nkpuru-obi na aru n'íyì n'ọku-ala-mọ" (Matiu 10:28). Onyenweanyị naamata ihe banyere ahụhụ nke arụ anyị, n'ihi na nime Baịbụl anyị naachọpụta na, "Ihe di óké ọnu-ahia n'anya JEHOVA ka ọnwu nke diri ndi-ebere-Ya bu" (Abù Ọma 116:15). Ọ bụrụ na amụwo mkpụrụobi ọ bụla ọzọ ya onweya ewee bụrụ kwa onye ziriezi n'anya Onyenweanyị, mgbe arụ ahụ nwụrụ, mkpụrụobi ya gaalaghachikwuru Chineke bụ́ Onye nyere ya, wee náadịkwa ndụ rue mgbe ebighịebi. Jisọs naeme ka anyị nwere onweanyị pụọ náagbụ nke mmehie na nke ọnwụ wee nye anyị ndụ ebighịebi. "N'ezie,

n'ezie, asim unu, onye nānu okwum, nke nēkwere kwa Onye ziterem, o nwere ndu ebigh-ebi, ọ biagh kwa n'ikpé kama o sitewo n'ọnwu ba ná ndu" (Jọn 5:24).

**Mbiliten'ọnwụ nke Arụ**

Mgbe anụarụ nwụsịrị, ọ bụrụna mkpụrụobi ahụ ziriezi n'ebe Chineke nọ ma dị kwa ndụ nime mmụọ, agaejikọta ya na arụ ahụ ọzọ, n'ihi na enwere mbiliten'ọnwụ nke arụ. "N'ihi na agāfu opi, agēme kwa ka ndi nwuru anwu si n'ọnwu bilie nāpugh ire-uré, agēnwo kwa ayi onwe-ayi. N'ihi na aru a nke puru ire uré aghagh iyikwasi eregh uré, aru a nke puru inwu anwu aghagh iyikwasi anwugh-anwu. Ma mgbe ọ bula aru a nke puru ire uré gēyikwasiwori eregh uré, mgbe aru a puru inwu anwu gēyikwasiwori anwugh anwu kwa, mgbe ahu okwu edeworo n'akwukwọ nsọ gēme, bu Eloro ọnwu rue nmeri. Ọnwu, Òle ebe nmeri gi di? Ọnwu òle ebe ihe-ọgbugba-gi di" (I Ndi Kọrint 15:52-55. Gụọ kwa Ndi Rom 8:19-23).

**Ọgaranya Ahụ na Lazarọs**

Jisọs gwara anyị ihe banyere ọgaranya ahụ na Lazarọs. Ndịkom abụọ ndịa nwụrụ. Ọgaranya ahụ ebiwo ndụ nime iheụtọ niile na ebube niile nke ụwa nke a. O jiri ihe ụtọ niile dị óké ọnụahịa lekọta arụ ya, ma o chèghị uche maka mkpụrụobi ya. Ma eleghịanya, dịka ọtụtụ mmadụ ndịọzo naeme, ọ sịrị, "Ọtutu oge ka fọduru." Ejiri ihe niile makasịrị mma na ebube niile nke ụwa pụrụ inye lie ya. Ma okwu Chineke naagwa anyị na nime ọkụalammụọ ka ọ nọ welie anya ya elu wee hụ Lazarọs n'ebe dị anya ka ọ naadabere n'obi Abraham. Mkpụrụobi nke ọgaranya ahụ nke o lefuruanya nọ nime ọkụalammụọ -- bụrụ ihe furuefu, rue mgbe ebighịebi, nwụọ ọnwụ nke imemmụọ.

Lazarọs bụrị ogbenye ma o jikeere izute Chineke. Mkpụrụobi ya dị ndụ -- dị kwa ndụ rue mgbe ebighịebi.

**Mkpụrụ nke Abraham**

Chineke rọọrọ mkpụrụ nke Abraham ka ọ ghọọ otù mba ebe apụrụ ịmụ Ọkpara Ya nke gaewetara uwa nke a furuefu mgbapụta.

Ndị Juu chere na ọ bụ náánị ha nwere ohere ịbà n'Alaeze Chineke. Onyenweanyị kpọpụtara Pọl wee mee ya Onyeozi ma kpughekwara ya omimi nke Oziọma a karịsịa na ọ bụ ihe dịịrị "onye nke kwere." Site n'ọnwụ nke Jisọs Kraist emere ka ọnụụzọ nke ebere ghereoghe nke ukwu, Ndị Mbaọzọ niile nwere ike ịbata ma ọ bụrụ na ha achọọ Onyenweanyị.

**Ndị Efesọs Ahụ**

Pọl nọrọ oge olenaole n'Efesọs nke bụ obodo Ndị Mbaọzọ náezisa Oziọma. Nzukọ ahụ nke ewulitere wee bụrụ otù nime nzukọ ndị ahụ nke guzosiriike nke Ndị òtù Kraist. Ndị Efesọs ndịa jupụtara n'ikpere arụsị, ma mgbe ha nụrụ mkwusa nke Pọl, ọtụtụ nime ha kweere ewee mee ka mkpụrụobi ha dị ndụọzọ site na Mmụọ nke Chineke. Ha nwụrụrịanwụ nime ajọomume niile na mmehie dị icheiche, ma ugbu a emewo ka ha ndị ndụ ọzọ nime Kraist Jisọs. Ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ ahụ agbanwewo ndụ ha. Tutu rue mgbe amụrụ anyị ọzọ ma Ndị Juu ma Ndị Mbaọzọ naejègharị dịka ọchịchọ nke anụarụ si dị. Ma mgbe azọpụtasịrị anyị ọchịchọ anyị niile ewee gbanwee, anyị adịghị ejègharị kwa n'anụarụ kama anyị naejègharị na Mmụọ Nsọ náeme kwa ihe bụ eziomume n'anya Chineke.

Ọ bụ nime Efesọs ka ewuru ụlọukwu nke Daina nke bụ otù nime ihe asaa ahụ dị ebube nime ụwa. Ndị ọkpụụzụ nke ọlaọcha jiri ịkpụụmụirighiri onyinyo dị icheiche nke Daina na ire kwa ha náadị ndụ. Ma ọtụtụ Ndị Efesọs kweere n'Oziọma nke mere na ọlụaka nke ndị ọkpụụzụ ọlaọcha a adịghị aga kwa nkeọma. Ha kpaliri ọtụtụ mmadụ itimkpu megide Pọl nke mere ka o si n'obodo ahụ pụọ. (Gụọ Ọlu Ndi-ozi 19).

**Ebere**

Ọ bụ ebere dị ukwu nke Chineke ka o jiri hụ anyị n'anya mgbe anyị bụrị ndị mmehie, mee kwa ka mmụọ anyị dị ndụ site n'aka Jisọs Kraist wee mee ka Ndị Juu na Ndị Mbaọzọ nọdụkọ n'otù ebe nime eluigwe nime Kraist Jisọs. Oziọma ahụ naeweta mnwekọ. Òlee otú mmadụ abụọ gaesi yịkọ jee ijè ma ọ

bụrụ na ha ekwekọrịtaghị? Òlee nnwekọ ìhè na ọchịchịrị na enwekọ? maọbụ òlee nkekọ ụlọnsọ nke Chineke na arụsị naekwekọ?

### Amara ka Ejiri Zọpụta

"O sitegh n'ọlu ka onye ọ bula we ghara inya isi (Ndi Efesọs 2:9). Onyenweanyị tụrụ àtụ̀mààtụ̀ nke óké nzọpụta a ka ọ bụrụ nááń́ site n'amara. Mmadụ agbalịwo n'ọgbọ niile n'ụzọ ọ bụla o nwere ike ịnapụta onweya n'ike nke mmehie, ma ọ pụghị ime nke a. Site n'Ọbara nke Jisọs nááń́ Ọbara Ya, ka apụrụ iji laa mmehie n'iyi n'obi nke mmadụ.

Ọ bụrụ na ịlụ ezi ọlụ pụrụ ime ka anyị na Chineke dị n'udo, ọtụtụ mmadụ gaejikereworị ime nke a. Onye nzọpụta ahụ agaghị adịworị mkpà. Chineke na asọpụrụ ọlụ nke Ọkpara Ya. "Onye nwere Ọkpara ahu nwere ndu ahu, onye nēnwegh Ọkpara Chineke enwegh ndu ahu" (I Jọn 5:12). Chineke ekpebiwo na ezi ọlụ ganaeso ndụ anyị mgbe agbanwere obi anyị ma mee kwa ka anyị site n'ọnwụ baa ná ndụ. Ọ bụ ihe dịrị OnyeKraist ime ihe niile bụ eziomume. Ọlụ ọma bụ omume nke náapụta n'onweya site n'obi ahụ nke nwere ịhụn'anya n'ebe Chineke nọ ọ bụghị ọlụ nke anaalụ iji chọta iruọma nke Chineke.

Nzọpụta site ná mmehie bụ onyinye nke Chineke nyere ụwa nke a site na Jisọs Kraist Onyenweanyị; n'ihi nke a ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịnyaisi na ọ kwụrụụgwọ ọ bụla ka ewee gbapụta ya.

### N'ebe Dị anya

Ekwuru na Ndị Juu nọ "nso" Chineke n'ihi Iwu na ọgbụgbandụ ahụ na ohere ha nwere ijekwuru Ya site n'onyinye afọ̀òfùfò ha niile na àjà dị icheiche ha naachụrụ Ya nke ọbara dị na ya. Ndị Mbaọzọ enweghị ohere dị otú a ewee si na ha nọ "n'ebe dị anya."

Dịka Ọbara nke Jisọs naerudata site n'elu obe ahụ dị ilu, emere ka ihe niile èkèrèèkè maa jijiji, ma were kwa ókéiwe náagbawasị. Eluigwe gbara ọchịchịrị, nkume niile gbawasịrị ílì meghekwara. Ákwà mgbochi nke ụlọnsọ gbawara ibe abụọ site n'elu rue n'ala. Akpọrọ Ndi Mbaọzọ ka ha bata nime. "Ñuria gi Ndi Mba-ọzọ … tobe kwa ya unu madu nile." Ma Ndị Juu na Ndị Mbaọzọ nwere ike ugbu a ijékwuru Chineke dị ndụ site n'Ọbara nke Jisọs Kraist.

Apụghị kwa ikwu na Ndị Juu nọ "nso" ma Ndị Mbaọzọ nọ "n'ebe dị anya," kama ha niile nwere ezi ohere site na Mmụọ Nsọ ịbịaru nso n'ebe Nna nọ.

### Ụlọnsọ nke Chineke

Ndị Juu na Ndị Mbaọzọ bụ ndị gaebikọ n'obodo nke eluigwe ahụ, ha niile bụ kwa ndị èzínaụlọ Ya nime okwukwe ahụ. Ha nwere otù ntọala, nke Ndịozi na ndị amụma, Jisọs Kraist bụ kwa Isi Nkuku ụlọ Onye esitere n'aka Ya jikọọ ha abụọ n'otù ụlọ ahụ.

Anaeji Mmụọ Nsọ jikọrọ ha abụọ nkeọma n'otù ka ha wee bụrụ otù ụlọukwu nke Onyenweanyị. Ewusibeghị ụlo ahụ ugbu a kama ọ naetóetó kwa ụbọchị; ma otù ụbọchị mgbe onyensọ ikpeazụ gaabata, ebube nke Onyenweanyị gaenye ụlọnsọ ahụ ìhè, ndịnsọ niile gaebi kwa n'ebe ahụ. Agaeloda kwa ọnwụ rue mmeri.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Mkpụrụobi na anụarụ hà naadị ndụ mgbe ọnwụ gasịrị?

2 Gịnị bụ ọnọdụ ndị Efesọs tupu ha anụ Oziọma ahụ?

3 Ịlụọlụ ọma ọ pụrụ ịzọpụta anyị? Ọ̀ bụrụ na ọ naapụghị gịnị gaeme ka anyị chọta amara n'iru Chineke?

4 Gịnị wetara mkewa n'etiti ndị Juu na Ndị Mbaọzo?

5 Mgbidi ahụ kpara ókè n'etiti ọ̀ ka naeguzo ugbu a?

6 Ụdị ụlọ dị añaa ka eji tụnyere ndị nsọ?

7 Gịnị bụ ntọala ahụ nke ewuru Oziọma ahụ n'elu ya?

8 Mgbe ọnwụ bịara òlee ebe mkpụrụobi na arụ naaga?